# EBE NSỌ KACHASỊ EBE NSỌ NIILE: ỌWỤWỤMMIRI NKE MMỤỌ NSỌ

## Ọpupu 26:31-34; 37:1-9; 40:20, 21, 34-38; Levitikọs 16:2; Ọlu Ndi-ozi 2:1-4; Ndi Hibru 9:6-8; 10:19-22

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 74 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ka ayi were obi ezi-okwu biarue nso nime nkwezu nke okwukwe, buru kwa ndi efesaworo ọbara n'obi-ayi pua n'ajọ akọ-na-uche" (Ndi Hibru 10:22).**

**I "Ebe Nsọ Kachasi Ebe Nsọ Nile," nime Ụlọikwuu ahụ**

1. Ákwà mgbochi ahụ bụ̀ ihe ịkpàókè n'àgbàtà Ebe Nsọ na Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ Niile, Ọpupu 26:31-33
2. Igbe Ọgbụgbàndụ ahụ ka adọbara n'Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ Niile, Ọpupu 37:1-5; 40:20, 21
3. Ebe mkpuchimmehie (Oche Ezeamara) ahụ, nke bụ́ náánị ọlàedo, bụ̀ ihe mkpebi nke Igbe Ọgbụgbandụ ahụ, Ọpupu 26:34; 37:6
4. Cherubim abụọ ahụ nke náagbasa kwa nkù ha n'elu, ná ekpuchi Oche Ezeamara ahụ, Ọpupu 37:7-9
5. Ìhè nke ihe èkèrèèkè maọbụ ọkụ̀ nke mmadụ menwuru ka anaachọghị n'Ebe Nsọ ahụ kachasị Ebe Nsọ Niile, I Ndi Eze 8:12; Nkpughe 21:23; 22:5
6. Chineke gosịrị mkwagide Ya site n'ime ka igweojii kpuchie elu, na ebube Ya ijupụta nime Ụlọikwuu nzute ahụ, Ọpupu 40:34-38; 25:22; Ọnu-ọgugu 7:89; Levitikọs 9:22-24; Abù Ọma 99:1; Aisaia 37:16
7. Chineke gwara Moses ka ọ dọọ Eron akanántị n'ihe egwù dị n'ịbà Ebe Nsọ ahụ kachasị Ebe Nsọ Niile ma ọ bụghị náánị otú ahụ esi tụzi aka, Levitikọs 16:2

**II "Ebe Nsọ Kachasị Ebe Nsọ Nile" nime Oge Okpukpé nke Ndị Kraist**

8. Ebe ahụ Kachasị Nsọ maọbụ Ebe Nsọ Kachasị Ebe Nsọ Niile, na atụ̀ aka mnwapụta ahụ nke ekwere ná mkwà bụ̀ nke anaenyeghị n'oge nke Iwu ahụ, Ndi Hibru 9:1-9
9. Mnwapụta ọhụụ ahụ, nke ụdị ya bụ Ebe Nsọ Kachasị Ebe Nsọ Niile, ka agaenye náánị ndị edoro nsọ, ma onyinye a dị ebube nke Mmụọ Nsọ dịrị anyị taa, Ndi Hibru 10:14-19, 22
10. Ụzọ nke ịbà n'Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ Niile nke imemmụọ ka emeghere site n'ọnwụ nke Kraist, Ndi Hibru 10:20-22; Matiu 27:50, 51
11. Kraist kwere mkwà Onyenkasịobi ma kpee kwa ekpere n'ihi ndị Ya ka edo ha nsọ, ka ha wee nweeike ịnata mnwapụta nke atọ a, Jọn 14:16-18, 26; 16:7-14; 17:6, 16-23
12. Mwụsa mbụ̀ ahụ nke óké ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ na ọ̀kụ ahụ mezuru mkwà nke Jisọs, Ọlu Ndi-ozi 1:4, 5, 8; 2:1-4
13. Mwụsa niile nke náeso nke mbụ̀ ahụ na mkwà nke mbụ̀ ahụ náegosi na mnwapụta a dịrị ndị niile gaachọ Ya, náewepụghị anyị onweanyị ndị bi n'ụbọchị ikpèàzụ́ ndịa, Joel 2:21-32; Ọlu Ndi-ozi 2:16-21; 8:17; 10:44-46; 15:8; 19:6; I Ndi Kọrint 12:13; I Jọn 2:20

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Chineke Naedu Ndị Nke Ya Náaga

Mmadụ, mgbe ọ naañụrịọñụ nime mnwapụta nke mbụ̀ nke onyinye amara nke nzọpụta nke Chineke, nwereike nwee mmetụta n'obi ya na Eluigwe onweya abatawo nime ya, maọbụ na ọ dịghị ike ọ bụla nke ọnwụ, maọbụ nke ọkụ̀ alammụọ pụrụ ịkwatu okwukwe ya maọbụ tinye obiabụọ n'ebe ịhụn'anya ya dị. Ma mmadụ n'ụdị nke òkìkè ya bụ nnọọ onye náabaghị n'ihe, onye náadịghịike nke esi kwa n'ájà kpụọ. Ọ dị ya mkpà ịnụ olu nke si n'Eluigwe, olu nke Mmụọ Nsọ, nke gaeduru ya jekuru Chineke; ọ dị kwa ya mkpà ịnụ olu ahụ mgbe niile iduru ya garue n'ezi ikpere Chineke.

Ekwuru na mmadụ dịka òkìkè ya si dị náenwe mmetụta nime ya inwe ihe ọ ganaekpere. Ma mmadụ aghaghị ịbụ onye Chineke naedu; aghaghị igosi ya ihe ọ pụtara bụ́ ezi okpukpé, maọbụ ọ bụrụ onye hiere ụzọ. Chineke maara omume a nke mmadụ nwere site n'ọ́mụ́mụ́ ya, n'iji nyere ndị niile gaatụgharị obi ha lee Eluigwe, Ọ tụrụ àtụ̀mààtụ̀ nke mgbapụta nke agaesi na ya zọpụta ya site ná mmehie, sachapụkwa ya ná njọ ekèrè ụwa nke ọ danyere nime ya; ma, emesịa, emejue ya n'ike ijéozi site ná nnukwu ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ na ọkụ̀.

### Ịchụàjà Na Ihe Ọ Naegosi

Àjà ikpéọmụma bụ maka mgbaghara mmehie nke akpachara anya mee na ndị ahụ emere site ná nlefuruanya na enweghị nleruanya n'idebe uche niile nke Chineke nke emeworo ka ha pụta ìhè.

Onye mmehie nke agbaghaworo mmehie ya nwereike iweta àjà nsureọkụ̀ ya na onyinye ịnata iruọma ya maka iji obichụaàjà nke ya dịka o si dị ya mkpà ịbịaru Chineke nso. O nwekwaraike iweta àjà udo ya iji guzobe

mkpakọrịta dị omimi nke Eluigwe. Ma nime ihe niile ọ ghaghị ịtụkwasị onyinye ọzọ. Nime ime obi ya o nwere otù ụdị njọ ekereụwa nke ọ dị mkpà ka emebie ya site ná mwụsa ọbara. Àjà mmehie ahụ ka achụrụ iji nyere mmadụ aka ịchọta nnukwu onyinye amara nke abụọ ahụ, nke bụ odudonsọ zuruòkè.

Anyị ahụwo otú nkebi nke Ụlọikwuu nzute ahụ ji naatụ onyinye amara niile a aka na otú ọbara anụ dị icheiche naatụ aka na "ọbara onye-ikpè na-amaghị ahụ" nke anaaghaghị ịwụsa n'oge nke Chineke. Anyị ahụwo otú mwụsị ọbara ahụ ji dị óké mkpà nime àjà niile dị icheiche nke achụworo n'ihi mmehie na mmebi iwu. Anyị ahụwo otú anaeji ọbara ahụ mgbe ụfọdụ tụkwasị n'elu ebe ịchụàjà nke ọlà ahụ n'ịgan'iru n'iheọmụmụ egosịwo anyị otú esi ekpuchị mmehie site n'ifesa ọbara ahụ n'iru Chineke. Anyị hụkwara otú àjà ọzọ niile ji dị mkpà ka eburu ụzọ fesa ọbara, tupu erue ákwà mgbochi ahụ n'onweya, ụfọdụ ka anaagbanye na mpi niile nke ebe ịchụàjà nke ọlàedo ahụ. Anyị ahụwo na o nweghị akùkù ọ bụla nke òfùfè ahụ nke ọbara náabaghị urù. Ọbụná nime ebe Nsọ ahụ nke kachasị Ebe Nsọ niile, ọ dị mkpà na efesara ọbara ka ọ bụrụ ihe ncheta nye ụmụmmadụ na náánị olileanya ha nke nzọpụta ịpụ n'ikpé nke Chineke bụ site ná mwụsị ọbara n'ọnọdụ ha. Ihe niile ahụ nọchiri anya òfùfè nke Ụlọikwuu nzute ahụ naatụaka Àjà ahụ nke agaje ịchụ, Jisọs Kraist, Onye ukwu ahụ Eteremanụ.

**Ebe Obibi Nke Chineke**

Ụlọikwuu nzute ahụ n'onweya ka ekebisịrị ụzọ abụọ. Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ niile ka ekewapụrụ site n'Ebe Nsọ ahụ site n'ákwàmgbochị nke akwụbara ka o wee kpuchi onye nchụàjà -- nke náabà n'Ebe Nsọ ahụ n'ijéozi ya niile nke ụbọchị ọ bụla -- site n'ebube nke Chineke náenwuenwu n'elu Igbe ọgbụgbandụ ahụ nke dị n'Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ niile. Igbe ahụ, na ihe eji ekpuchi ya anaakpọ Ebe mkpuchimmehie (maọbụ Ocheezeamara), na Cherubim nke ọlàedo akpụrụakpụ nke náeguzo n'otù nsọtụ, bụ náánị ihe nke dị n'Ebe Nsọ ahụ kachasị Ebe Nsọ niile. Ọ bụ n'etiti ebe ahụ, ka òfùfè niile nke ụmụ Israel na ewere ọnọdụ. Mgbe Chineke naegosi nnọnye Ya ha na amata na Ọ nọ n'ebe ahụ dịka Onyeisi ha, Onyendú ha, na Onyenchebe ha.

Náánị otù ugbò ka onye ọ bụla naabà n'Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ niile ahụ, ma ewezuga oge ọ dị mkpà ibugharị Ụlọikwuu ahụ, bụ n'Ụbọchị nke Mkpuchimmehie. N'ụbọchị ahụ onyeisi nchụàjà ahụ naabà nime ụlọ ahụ were ihe nsureọkụ náesi ísìụtọ na ọbara chụọàjà n'ihi mmehie ndị ahụ dịka ihe ná anọchịta anya mkpuchimmehie nke mmadụ niile nke Kraist (Levitikọs 16:12, 14; Ndi Hibru 9:7; 10:19, 20). Nke a adịghị anapụ ọlụ nke ịchụàjà nke dịrị onye ọ bụla nke mehieworo. Onye ahụ aghaghị iweta àjà ikpeọmụma ka ọ bụrụ ihe iji kpuchie mmehie nke ya onweya.

Ọ dịghị ìhè nke ihe èkèrèèkè maọbụ ìhè nke mmadụ mere dị nime Ebe Nsọ ahụ kachasị Ebe Nsọ niile. Ebube nke Chineke nke ná amụwapụta site n'ebe Nnọnye Chineke nọ n'etiti Cherubim ahụ bụ ìhè dị n'ebe ahụ, ọbụná dịka ekwuru banyere Jerusalem ọhụụ ahụ: "Anyanwu ma-ọbu ọnwa adigh obodo ahu nkpà, ka ha mukwasi ya: n'ihi na ebube Chineke nyere ya ìhè, oriọna-ya bu kwa Nwa-aturu ahu" (Nkughe 21:23). **Shekina** ahụ bụ nnọọ ebube Chineke n'igosi Onweya nye Moses na onyeisi nchụàjà, n'ihi na Moses bụ kwa otù onye nime ndị nchụàjà nke Chineke (Abù Ọma 99:6).

Ebube nke Chineke dị nnọọ óké egwù nime Ụlọikwuu, mgbe eguzobere ya na mbụ, na ọbụná Moses apụghị ịbànye ya (Ọpupu 40:35). Moses na Chineke ekwurịkọtaworị okwu dịka enyi na enyi ọbụná karịa onye ọ bụla nke biworo n'eluụwa. Ọ hụworị ngosipụta nke Chineke n'ụzọ pụrụ iche n'elu Ugwu Sainai mgbe Ụmụ Israel niile, ma ewezuga ndị ahụ soro ya rịgọ n'elu Ugwu ahụ, gbalagara. O guzowo n'iru osisi ntà ahụ nke náere ọkụ nụ kwa olu Chineke ka Ọ na ekwuokwu site n'ire ọkụ ahụ. Ma agwara anyị na Chineke gosịrị Onweya n'ụzọ kachasị elu nime Ụlọikwuu ahụ, mgbe anaedo ya nsọ, nke mere na Moses enweghịike ịbà nime ya.

**Igbé Ọgbụgbàndụ Ahụ, Ebe Mkpuchimmehie Ahụ, Na Cherubim**

Igbé ọgbụgbàndụ ahụ bụ ihe pụtara ìhè n'onweya. Eji osisi maramma wue ya, were kwa ọlàedo machite ya, emere ya ka ọ bụrụ ebe anaedebe àkụ niile nke dị óké nsọ dịka Chineke kwuru. Ọlụ kachasị mkpà eji ya alụ bụ maka idebe mbadamba nkume abụọ ahụ nke edere Iwu Chineke n'elu ya.

Anyị ekwuwo banyere Ebe mkpuchimmehie (maọbụ Ocheeze amara) ahụ dịka ihe eji ekpuchi Igbé ọgbụgbàndụ ahụ. Eji ọlàedo nke anaagwaghị agwa mee ya. Ná nsọtụ ọ bụla ka eguzobere otù Cherubim, bụ onyinyo ahụ akpụrụakpụ site n'ọlàedo anụchara nke ọma nke náecherịta onweha iru náeledata kwa anya n'elu mbadamba abụọ ahụ edere Iwu nke dị nime Igbe ọgbụgbàndụ ahụ. Ekwuwo na ọlụ ñkà ahụ dị mkpà iji mepụta ihe, site n'ọlụ ịkpụ ihe, onyinyo abụọ ndịa site n'ọlàedo anaagwaghị ihe, bụ nlụpụta dị ebube nke náánị ndị ñkà olenaole, ma ọ bụrụ na enwere onye ọ bụla, nime ndị ñkà nke oge anyị a pụrụ ime ha.

**Kraist, Ebe Mkpuchimmehie (maọbụ Ocheeze amara) Ahụ**

Agwara anyị nime Akwụkwọnsọ (Ndi Rom 3:24, 25) na agụrụ anyị ná ndị eziomume site ná mgbapụta nke dị nime Kraist Onye Chineke guzobeworo ịbụ ihe ịjụrụ Ya obi nye anyị. Ụmụ akwụkwọ ndị náamụ Grik naagwa anyị na nkọwa nke zuruezu eji akọwa okwu a bụ **ihe ị jụrụ Chineke obi bụ oche-eze-amara (ma-ọbụ ebe mkpuchi mmehie).** Ihe ahụ nke Ebe Mkpuchimmehie (maọbụ Ocheeze amara ahụ dị nime Ụlọikwuu ahụ naegosi pụtara ìhè nkeọma nye anyị site n'ihe a edere n'Akwụkwọnsọ n'Agbà Ọhụụ. Ebe Mkpuchimmehie (maọbụ Ocheeze amara) ahụ nọchịrị anya Kraist.

Cherubim ndị̣a ka aghọtara na ha na anọchita anya nlụpụta (maọbụ mmejupụta) nke ikpé niile nke Chineke, ebe ụdị ihe òkìkè nke eluigwe ndịa naabụ́ ndị anaezigakarị ijé ụdị ozi ndịa dịka edepụtaworo ha nime Akwụkwọnsọ. Enyere anyị otù onyinyo maramma n'ebe a. Iwu ahụ nke Chineke, bụ́ nke dị nime Igbé Ọgbụgbàndụ ahụ, naachọsi ka ikpè dakwasị onye ọ bụla nke mebiri ụ̀kpụ̀rụ̀ ya niile. N'elu Iwu ahụ ka Cherubim ndịa naeguzo bụ́ ndị náanọchi anya nguzobe (maọbụ mkpebi) nke ikpè ahụ niile. Ma mkpebi nke ikpé ahụ niile ka ebilatara site ná nnọchianya nke Kraist, bụ́ Ocheeze amara (maọbụ Ebe Mkpuchimmehie) ahụ. Lee ụzọ maramma Chineke siri werute onyinye nke ịhụn'anya Ya n'ebe ụmụmmadụ nọ nye ndị Israel, nye kwa anyị onweanyị otù aka ahụ, nime ihe ndịa nke anaahụ́ nime Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ niile.

**Ọwụwụmmiri Nke Mmụọ Nsọ Ahụ Na Ọkụ̀**

Ma Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ niile naewetara anyị onyinyo pụtara ìhè karịa, nke onye dere akwụkwọ Ndi Hibru kọwara n'omimi ha. O gosịrị anyị na dịka ebe ịchụàjà nke ọlà ahụ nke dị n'ogige mpụta nke Ụlọikwuu ahụ naanọchianya mgbaghara mmehie, otú a kwa ebe ịchụàjà nke ọlaedo dị n'Ebe Nsọ ahụ naanọchị anya odudonsọ, Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ niile ahụ ya na nnọgidesiike nke Mmụọ na iru Chineke náegosi ụdị ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ na ọkụ̀.

Mnwapụta dị ebube a, nke eburu ụzọ nye ụmụmmadụ n'Ụbọchị Pentikọst ngwangwa Kraist nwụsịrị na Kalvarị, bụ̀ akàrà pụrụ iche maọbụ ngosipụta iheàmà nke Oge Oziọma bụ́ ọgbọ nke Nzukọ Kraist. Ọ bụ "ebube" ahụ nke eburu amụma na ọ gaabịa mgbe ọnwụ Kraist gasịrị naeso mnweta nke Ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ bụ́ nke ndị amụma n'onweha chọsịrịike inwe, ndị mmụọ ozi nọ n'Eluigwe chọọ kwa ileba anya nime ha (I Pita 1:9-12). Mmụọ Nsọ ahụ bụ Onyenkasịobi ahụ nke Jisọs kwuru na Ya gaezite mgbe Ọ rịgosịrị lakuru nna Ya (Jọn 16:7). Enyebeghị Ya ndị nke oge Agba Ochie, n'ihi na emeghebeghị ụzọ esi abà n'Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ niile (Ndi Hibru 9:8). Ma otú ọ dị, mgbe Jisọs nwụrụ ákwàmgbochi nke Ụlọukwu Chineke wee gbawaa kwa, ụzọ ahụ ka emeghere nye ndị niile bịara n'ikpéazụ̀ iji mkwuwaokwu baa nime Ebe Nsọ ahụ kachasị Ebe Nsọ niile nke mmụọ: mnwapụta nke atọ, pụtara ìhè nke Ndị Kraist nke dị n'àtụ̀mààtụ̀ nke nzọpụta nke Chineke (Ndi Hibru 10:19-22).

Egosịchawo kwa anyị na ọ dị mkpà ka anyị bụrụ ndị edoro nsọ tupu Mmụọ Nsọ ewe nweeike bata nime obi anyị ibinyere anyị n'òzùzùòkè Ya (Ndi Hibru 10:12-22; Ndi Hibru 2:11 atụlere ya na Ọlu Ndi-ozi 2:1). Ndị amụma nke oge ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ, n'ihi na anyị ahụwo na ha buru amụma banyere Ya chọọ kwa ya ma ha apụghị ịnata mnwapụta ahụ n'ihi na enyeghị Ya mgbe ahụ (I Pita 1:9-12; Ndi Hibru 9:8).

Anaenye anyị ndụmọdụ ka anyị bà n'ebe Nsọ a kachasị Ebe Nsọ niile náetufughị oge (Ndi Hibru 10:22); n'ihi nke a anyị pụrụ ikwu na ọ bụghị ụdị Eluigwe, dịka ụfọdụ naakụzi, kama ọ bụ ụdị mnwapụta nke anaenye anyị n'oge anyị nọ ná ndụ nke a. O doro anya, mgbe ahụ, na nke a bụ nnọọ ntụzi aka ọzọ dị ukwuu nime Akwụkwọnsọ nke edobere idubà ụmụmmadụ n'òzùzùòkè nke eziokwu nke Chineke. N'ebe a nime otù nime nzọụkwụ mbụ na nke oge ochie nime àtụ̀mààtụ̀ nke Chineke, ka egosiri nnapụta atọ nke ndị Kraist nke anyị ndị bi nime oge nke Nzukọ nke Kraist pụrụ inweta.

"Ka ayi were obi ezi-okwu biarue nso nime nkwezu nke okwukwe." Ka o doo kwa anyị anya na anyị na "ejigidesi nkwuputa nke olile-anya ayi ike ka ọ ghara iruda n'ala." Ka anyị lezieanya ka anyị ghara kwa ịrapụ "nzukọ nke onwe-ayi," kama ka anyị náadụrịta onweanyị ọdụ kwa ụbọchị ịnaakpa kwa nso Chineke náenwe kwa mmekọ dị omimi anyị na Ya dịka anyị naahụ́ ụbọchị nke Kraist ka ọ naabịaru nso nke ukwuu.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị bụ ngwá ejiri dozie Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ niile ahụ? Kọwaa ha n'otù n'otù.
2. Gịnị ka nke ọ bụla n'ihe ndịa bụ ụdị ya na ihe ha nọchịrị anya ha?
3. Gịnị kewara ebe abụọ nke Ụlọikwuu ahụ? Kọwaa ya?
4. Gịnị ka Ebe Nsọ ahụ bụ ụdị ya?
5. Gịnị ka Ebe Nsọ ahụ kachasị Ebe Nsọ niile n'òzùzùòkè ya bụ ụdị ya?
6. Gịnị bụ ihe náenye ìhè n'Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ niile?
7. Òlee mgbe ụdị ahụ egosiri n'Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ niile mezuru nke mbụ ya?
8. Kwue oge niile ọzọ o mezuru, ọbụná rue oge dị ugbu a .
9. Òlee otú Akwụkwọnsọ siri gwa anyị na mmadụ aghaghị inwe odudonsọ tupu o nwee ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ?
10. Òlee ihe ukwu mere nke nyere anyị niile mbànye n'Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ niile nke imemmụọ anyị?